# JISỌS MERE KA LAZARỌS SI N'ỌNWỤ BILIE
## Jọn 11:1-46
## IHEỌ̀MỤ̀MỤ̀ 145 - Nke NdỊetiti

**AMAOKWU IBUN'ISI: "Mu onwem bu mbilite-n'ọnwu na ndu: onye nēkwere na Mu, ọbuná ma asi na ọ nwuru anwu, ọ gādi ndu ọzọ" (Jọn 11:25).**

### Ọrị a

Jisọs ejeworị n'ụlọ Meri, Mata na Lazarọs. Mata lụsịrị ọlụ ike idoziri ma nyekwa Jisọs iheoriri (Luk 10:40). Meri bụ kwa onye ahụ nọdụrụ ala n'ụkwụ Jisọs ịmụta ihe n'ọnụ Ya (Luk 10:39). N'ijéozi obiumeala Meri tere ụkwụ Jisọs mmanụ dị óké ọnụahịa (Jọn 12:3). N'ezie Jisọs anọnyeworo èzínaụlọ a ọtụtụ oge n'ihi na Ọ hụrụ ha n'anya.

Ọ bụ n'èzínaụlọ a lekọtara Jisọs, na n'arụ otù nwoke Jisọs hụrụ n'anya ka ọrịa bịara. Anyị naagụ n'akwụkwọ Eklisiastis 9:2, "Ihe nile nādakwasi madu nile n'otù uzọ ahụ" Ọ bụghị náánị ndị náemebiiwu ka ọrịa dịịrị, anaghị agụpụkwa ndị eziomume n'ịrịa ọrịa. Mgbe Onye nke Kraist naarịa ọrịa, ọ naatụkwasị Jehova obi maka ọgwụgwọ dịka Baịbụl nyere ya iwu ka o mee. "Ọ̀ di onye bula n'etiti unu nāhuju anya? Ya kpe kwa ekpere.... Ọ di onye ọ bula n'etiti unu nke aru-ya nādigh ike? Ya kpọ ndi okenye nke nzukọ Kraist ka ha biakute ya; ka ha kpe kwa ekpere n'isi-ya, nēte ya manu olive n'aha Onye-nwe-ayi; ekpere nke okwukwe ahu gāzọputa kwa onye ahu aru nādigh ike, Onye-nwe-ayi gēme kwa ka o bilie" (Jemes 5:13-15).

Mgbe Lazarọs rịawara ọrịa, ụmụnne ya nwanyị wee zipụrụ Jisọs ozi, dịka anyị onweanyị naeme mgbe anyị naekpe ekpere. Jisọs gwara ndị náesoụzọ Ya na ọrịa Lazarọs bụ ihe inye Chineke otuto. O kwuru na ọrịa Lazarọs agaghị eweta ọnwụ kama ka ewee nye Ọkpara Chineke otuto.

### Ịnọọdụ

Mmadụ nwereike ichè na Jisọs gaejekuru Lazarọs ọsọsọ. Ọ bụghị otú a ka Jisọs si mee ya n'oge a. Ọ nọgidere ebe ahụ rue abalị abụọ, dịka anyị maara, tupu O kwue banyere ijé hụ́ Lazarọs. Eleghịanya nke a bụ ịnwapụta okwukwe Lazarọs na ụmụnne ya nwanyị. Anyị amataghị ma Jisọs zigaara ha ozi, kama ịnọọdụ Ya apụtaghị na Ọ gaghị ejé. N'arụghịụka, Chineke natara otuto n'ọdụ Jisọs nọrọ karịa mgbe ọ gaara ejé mee ka arụ dị Lazarọs ike mgbe ahụ o bidoro ịrịaọrịa. Jisọs sịrị na ịnọọdụ Ya bụ ka okwukwe ha siwanye ike ka o wee bamie kwa ha n'obi.

Jisọs nwererị ike ime ka arụ dị Lazarọs ike náerughị ebe ahụ, n'ihi na náání okwuọnụ Ya mererị ka arụ dị ndịọzọ ike. Mgbe arụ náadịghị orù ọchịagha ahụ náachị otù narị ndị agha, nna ya ukwu jekuuru Jisọs sị, "Were nání okwu-ọnụ kwue, agēme kwa ka arụ onye nējerem ozi di ike." Okwukwe nke ọchịagha ahụ náachị otù narị ndị agha juru Jisọs anya O wee gwa ya ka ọ dịrị ya dịka okwukwe ya si dị. Emere ka arụ dị onye náejere ya ozi ike n'oge hour ahụ (Matiu 8:5-13). N'oge ọzọ kwa, Jisọs mere ka arụ dị nwa nwanyị Sairo-finisia ike náerughị ya nso. Nne ya jekuuru Jisọs n'ihi nwa ya nwanyị. "O we kpere Ya ka Ọ chupu mọ ọjọ ahu n'aru nwa-ya nwayi" (Mak 7:26). Jisọs sọpụụrụ okwukwe ya wee sị ya laa nke ya, "Ewe me ka aru di nwa-ya nwayi ike site n'oge hour ahu" (Matiu 15:28). Nne ya lara we chọpụta na ọ dị otú ahụ.

N'ụbọchị taa anaeme ka arụ ndị nọ ebe dị anya site n'ụlọ nzukọ ndị náenweghị ike ịbịa ka etee ha manụ kpeere ha ekpere dị ike. Ha naezipụ arịrịọ maka ekpere, ndị nke Chineke wee kpee ekpere n'ihi ọgwụgwọ ha. Emewo ka arụ dị ọtụtụ mmadụ ike site n'okwukwe ha kwere na Jisọs ọ bụ ezie na ha nọ n'ebe dị anya. Ma Jisọs emeghị ka arụ dị Lazarọs mma n'ụzọ dị otú a.

### Jisọs N'iheegwù

Mgbe Jisọs gwara ndị náesoụzọ Ya na ha naejekuru Lazarọs, ha ekwenyeghị kama ha chetaara Jisọs na ndị Ju chọrọrị ịtụ Ya nkume (Jọn 8:59; 10:31). Iheegwù adịghị emetụ Jisọs n'arụ mgbe O nwere ọlụ Ọ gaalụ. Aghaghị ịlụọlụ Ya mgbe ọlụ agaalụ dị, n'ihi na Ọ sị na abalị na ọchịchịrị naabịa mgbe ọ dịghị onye pụrụ ịlụọlụ (Jọn 9:4).

N'iru iheegwù, Jisọs jekuuru Lazarọs, onye nwụwororị tupu oge a. Jisọs matara na o ruwo mgbe agaegosipụta otuto Chineke. Jisọs gwara ndị náesoụzọ Ya na Lazarọs na ararụụra na Ya gaje ịkpọte ya site n'ụra nke ọnwụ. Ndị náesoụzọ Jisọs sooro Ya jee náebu n'obi na ndị Ju gaje ịtụgbu ha na Jisọs na nkume

### Na Betani

Jisọs ejeghị ịhụ́ Meri na Mata náání ka Ọ kasie ha obi. O nwere ihe dị ukwuu karịa O bu n'uche -- ọlụebube gaenye Chineke otuto. Iruuju jupụtara ụlọ ha, n'ihi na eliworị Lazarọs ụbọchị anọ garaaga. Ọtụtụ ndị enyi ha nọrị ebe ahụ ịkasi ha obi ma ha naele anya Enyi ahụ kachasị mma bụ́ Jisọs.

Mata jere izute Jisọs. Ọ mararị na Ọ pụrụ ime ka nwanne ya nwoke ghara ịnwụ. O nwere okwukwe na ya gaahụ́ Lazarọs ọzọ n'Ụbọchị Mbiliten'ọnwụ.

Jisọs sịrị, "Mu onwem bu nbilite-n'ọnwu na ndu: onye nēkwere na Mu, ọbuná ma asi na ọ nwuru anwu, ọ gādi ndu ọzọ." Jisọs nwereike niile dị n'Eluigwe na nime ụwa (Matiu 28:18) -- ike ime ka adị ndụ na ike ịgwọ ndị ọrịa. Mata sịrị na ya kwere na Ọ bụ Ọkpara Chineke na ekpere Ya nwereike ime ihe ọ bụla.

Mata jekuuru nwanne ya nwanyị naezi ya na Onyeòzízí nọ n'ebe ahụ na Ọ naakpọkwa Meri. Meri jekuuru Jisọs naenwe okwukwe n'ike ọgwụgwọ nke Ya. Ọ bụrụ na Jisọs nọrị n'ebe ahụ na mbụ, Meri gaara arịọ Ya ka Ọ gwọọ nwanne ya nwoke; ma o chere na Ọ bịara mgbe oge gafesịworo.

Ha jere gosi Jisọs ebe atọgbọrọ Lazarọs. O metụtara obiebere Jisọs mgbe Ọ hụrụ Meri na ndịọzọ ka ha naákwàákwá. Ọ bụ Ọkpara Chineke ma ọ bụkwa mmadụ O zipụtakwara obi ntiwa Ya, n'ihi na Ọ kwara ákwá mgbe O jeruru ílì Lazarọs.

**N'ílì Ahụ**

Òtù ndị náeruuju guzoro n'akụkụ ílì Lazarọs n'ụbọchị ahụ, Ha amataghị ụdị ọlụebube gaje ịdị mgbe ahụ. Na mbụ ha ekwenyeghị Jisọs mgbe Ọ gwara ha ka ha kpọrepụ nkume dị n'ọnụ ụzọ nke ílì ahụ. Ha chere na oge agafewo, n'eziokwu arụ Lazarọs n'oge a gaemebiworị.

N'otù mgbe Jisọs alụghị ọlụebube n'ihi ekweghị ekwe nke ndị mmadụ (Matiu 13:58). Mgbe agwara Jisọs na ada Jeairọs anwụwo, Jisọs gwara nna ya sị, "Atula egwù: kwere nání" (Luk 8:50). Jisọs gwara nna nwata ahụ mmụọ ọjọọ naesogbu sị, "Ọ buru na i puru! Onye nke kwere puru ime ihe nile" (Mak 9:23). Ọ dị okwu anaekwu na ahụ́ n'anya ekwere, ma Jisọs sụgharịrị ya isi wee sị na ọ bụrụ na ha kwere na ha gaahụ́. Jisọs sịrị "Ihe nile, ka ha ra, bú nke unu gārịọ n'ekpere, ma asi na unu kwere, unu gānata kwa ha" (Matiu 21:22). Ndị mmadụ n'ụbọchị taa gaahụ́ ebube nke Chineke karịa ka anaekpughe ya ma ọ bụrụ na ha enwe okwukwe karịa n'ebe Chineke nọ.

Okwu nke Jisọs gbara ndị ahụ náeguzo n'akụkụ ílì Lazarọs ume, ha wee bupụ nkume ahụ. Jisọs weliri anya Ya n'eluigwe wee kpee ekpere -- ọ bụghị ekpere nke onye nwere mkpà kama ọ bụ ekpere nke ekele na Chineke anụwo Ya rị na Ọ gaje ịnara otuto n'aka ndị nọ Ya gburugburu.

Eleghịanya ndị náesoụzọ Ya naekwu n'etiti onweha sị "Ọ̀ bụ na Ọ sịghị na Lazarọs na-ararụ ụra na Ya gaje ịkpote Ya? Ọ̀ bụ na Ọ sighị na ọrịa Lazarọs abụghị nke ọnwụ? Òlee ihe Ọ na-ekwu n'ihi na Lazarọs anwụwọ eliwo kwa ya?" Mgbe náadịghị anya ha chọpụtara ihe okwu Jisọs pụtara.

**Ndụ Ọhụụ**

Ha nụrụ ka Jisọs ji óké olu tie, "Lazarọs, puta n'èzí." Ha hụrụ ka onye ahụ nwụwororị ká mgbe ụbọchị anọ bu ákwà ozù n'ụkwụ na n'aka apụta. Ha tọpụsịrị ya mgbe Jisọs nyere ha iwu ime otú ahụ. Lazarọs dịrị ndụ n'ike nke Jisọs. Lee óké ọñụ dị n'ụbọchị ahụ! Ịkwáákwá na iruuju dị rue mgbe Jisọs bịara, O mere ka ọ ghọọ náání ọñụ site n'okwu nke O kwuru. N'ezie, site n'okwukwe nke ha kwere n'ike nke Jisọs, Lazarọs dịrị ndụ, ọ bụ ezie na ọ nwụrụrị anwụ.

Ike Jisọs akwụsịghị n'ebe ahụ. Ọtụtụ ndị nwụrụ n'ime mmehie (Ndi Kọlọsi 2:13) nụrụ mgbe Jisọs kpọrọ aha ha. Ha biliri ibi ndụ ọhụụ (Ndi Rom 6:4), n'ihi na ha kweere na Jisọs bụ mbiliten'ọnwụ na ndụ ahụ. Ekewo ha ụkwụ na aka; na ha pụrụ isoro Onye dere Abù Ọma sị "I tọpuwo agbum nile" (Abù Ọma 116:16). Ihe Jisọs meere Lazarọs n'anụarụ ka Ọ pụrụ ime taa n'imemmụọ.

Onye mmehie ọ bụla dị ka Lazarọs mgbe ọ nọ n'ílì -- ọ nwụwo, ekere ya agbụ, ọ nọkwa n'ọchịchịrị. Onye Kraist ọ bụla dị ka Lazarọs mgbe akpọlitere ya site n'ílì -- o nwere ndụ. Atọpụwo ya n'agbụ nke mmehie ya. Ọ nọ n'ìhè n'agakwa ijè nime ìhè (Jọn 8:12).

Ọrịa Lazarọs bụ maka inye Chineke otuto. N'ezie, ịkpọlite onye nwụrụ anwụ karịrị ime ka mmadụ ghara ịnwụ. Ọtụtụ ndị Ju agaworị ịkasị Meri na Mata obi. Ha soro ndịọzọ zukọọ n'akụkụ ílì ahụ. Ha ahụworị ike ịlụọlụ ebube nke Jisọs. Ọtụtụ mere ihe karịrị ịhụ́ -- ha kweere na Jisọs. Ọtụtụ hụrụ, ma náání ndị ahụ kweere natara ndụ ebighịebi (Jọn 3:36).

**AJỤJỤ DỊ ICHEICHE**

1. Gịnị mere Lazarọs ji ná arịaọrịa?
2. Gịnị ka ụmụnne ya ndịyom mere?
3. Ogologo oge ra añaa ka Lazarọs nwụworo?
4. Òlee otú esi mee ka o bilie dị ndụ?
5. Gịnị kpatara ọtụtụ mmadụ ji gbakọọ n'akụkụ ílì ahụ?
6. Òlee otù Chineke ji nara otuto?
7. Gịnị bụ ụfọdụ mkwà ekwere ndị kweere n'Onyenweanyị?